# AMỤMA DỊ ICHEICHE EBURU BANYERE Ọ́MỤ́MỤ́ KRAIST
## Ọnu-ọgugu 24:17; Aisaia 7:14; 9:1-7; 11:1-5; Maika 5:2; Jeremaia 31:15
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 103 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "I gākpọ kwa aha-Ya JISUS: n'ihi na Ya onwe-ya gāzọputa ndị nke Ya ná nmehie nile ha" (Matiu 1:21).**

**Kpakpando N'Ọwụwaanyanwụ**

Ọtụtụ arọ̀ garaaga otù kpakpando nke náenwu ezi ọcha nke makwara mma pụtara na mbara Eluigwe. Ndị amamihe ahụ sitere n'Ọwụwaanyanwụ hụrụ kpakpando ahụ wee kwere na ọ naegosi na amụrụ Eze nke Ndị Ju (Matiu 2:1, 2; Ọnu-ọgugu 24:17). Eleghịanya ha amụwo ihe edere n'Akwụkwọnsọ wee chọpụta na ndị amụma ebuworị ụzọ kwue ihe banyere Eze nke náabịa. Náenweghị obiabụọ ha agụtaworị na agaamụ otù nwatakịrị onye gaanọ n'isi ọchịchị (Aisaia 9:6; 7:14). Oge eruwo mgbe agaamụ́ Eze ahụ (Daniel 9:25), ná enweghị obi abụọ, kpakpando ahụ buru ibu karịa ma náegbu kwa maramara karịa ndịọzọ ha hụwororị, ya mere ha zọliri ijè rue Jerusalem ebe Herod bụ́ eze bi (Matiu 2:1). Chee otú obi ha gaesi daa mbà mgbe ha náahụ́ghị nwatakịrị ahụ n'obí nke eze ahụ. Ma Herod kpọrọ ndị odeakwụkwọ na ndị nchụàjà, wee jụọ ha ihe ha matara banyere ọ́mụ́mụ́ nke otù eze. Ha gwara ya na onye amụma ahụ ekwuwo na agaamụ Kraist na Betlehem (Maika 5:2; Matiu 2:4-6).

**Onyinye Dị icheiche nye Jisọs**

Ndị amamihe ahụ mere ngwangwa ịchọ Nwatakịrị ahụ. Mgbe ha naarapụ obí nke eze ahụ, kpakpando ọma ahụ nọ kwa, ma ọ naaga n'iru ha náejé Betlehem. Lee otú obi si we tọọ ha ụtọ n'ihi na o duuru ha rue n'ebe Nwa ọhụụ ahụ nọ. Ma mgbe ha bịaruru nso wee hụ́ Nwatakịrị ahụ na nne Ya bụ́ Meri, ha kpọrọ isiala nye Ya.

Ha wetara onyinye dị icheiche, ya mere ha meghere igbeàkụ̀ nke ọlaedo, incese, na myrrh. Ihe ndịa niile bụ onyinye dị óké ọnụahịa ha chọrọ iwere ihe kachasị mma ha nwere nye Jisọs.

N'ụtụtụ Kristmas mbụ ahụ, Chineke nyere ụwa (nke ahụ bụ ma anyị onweanyị) àkụ̀ nke kachasị àkụ̀ niile nke Eluigwe bụ́ Ọkpara Ya (Jọn 3:16). Dịka ndị amamihe ahụ kpọrọ isiala ma nye kwa Ya onyinye dị icheiche, ka anyị mee kwa otù ihe ahụ. Onyinye dị icheiche nke anyị abụghị kwa ọlaọcha na ọlaedo maọbụ ihe dị óké ọnụahịa kama ihe kachasị mma nke anyị nwere bụ ndụ anyị na ịhụn'anya anyi.

**Ụlọ Adịrịghị Jisọs**

Ndị mụrụ Jisọs, Meri na Josef, arapụwo ụlọ ha na Nazaret, wee gaa Betlehem ịtụ ụtụisi. Ebe ha si n'agbụrụ nke Devid pụta (Luk 2:4), ha jere n'obodo nke Devid (Betlehem). Ọtụtụ arọ̀ garaaga, ndị amụma ekwuworị na ọ bụghị náánị na agaamụ Kraist na Betlehem (Maika 5:2), kama Ọ gaabịa dịka Alaka nke èzínaụlọ Jesi (Aisaia 11:1). Jesi bụ nna Devid (I Samuel 16:11-13). Jisọs n'onweya mesikwara kwupụta na Ya sitere n'ụlọ Devid (Nkpughe 22:16).

Agaenweworị ọtụtụ mmadụ n'ebe ahụ, n'ihi na ụlọ niile dị n'ebe ahụ ka eweresiworo, ma Meri na Josef chọtara ọnọdụ n'ụlọ ebe anaedebe anụmanụ. Mgbe amụrụ Jisọs enyibere Ya n'elu ihe anaetinye nri anụụlọ. Nime ndị ahụ niile ọ dịghị otù onye nyere Jisọs àkwà ya. Lee ụdị ihe ihere nke a bụ na Eze nke Udo enweghị àkwà kama nri anụ! Ma n'ụbọchị taa ụfọdụ mmadụ enweghị ọnọdụ nye Jisọs nime obi ha na ná ndụ ha. Ha achụpụwo Ya onye ahụ náelekọta ụlọ ndị ijè ahụ mere, náasị "Ulo adigh." Ị̀ mewo ọnọdụ nime obi-gi nye Jisọs?

Otù ụbọchị, n'oge náadịghị anya, Jisọs gaabịaghachị n'ụwa nke a ọzọ. Ụfọdụ mmadụ gaahụ́ kwa Ya wee kpọọ isiala nye Ya. Ha nwere njikere náechere kwa Ya. Ọ bụghị mmadụ niile hụrụ Jisọs mgbe amụrụ Ya n'ụlọ anụ. Ha adịghị eleanya Eze ahụ dịka ndị amamihe ahụ mere. Ha adịghị echere Ya, n'ihi nke a ha ahụghị Ya. Ndị niile náadịghị echere Ya ugbu a agaghị kwa ahụ́ Ya, otù aka ahụ. Ka anyị dị ka ndị amamihe ahụ -- náeleanya Jisọs! Ọ bụrụ na Jisọs abịa taa. Ị̀ ga ejikere izute Ya?

**Ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ**

Ọ bụghị náánị ndị amamihe ahụ hụrụ Nwakakịrị ahụ bụ́ Kraist, n'ihi na ụfọdụ ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ agaworị kpọọ isiala nye Ya. Mgbe ha nọ náeche atụrụ, akụkụ ugwu ahụ niile jupụtara n'ìhè nke sitere n'ebube Chineke, otù mmụọ ozi wee zie ha ozi ọñụ ahụ banyere ọ́mụ́mụ́ nke Onyenzọpụta. Ọ dị ka Eluigwe niile jupụtara ná ndị mmụọozi, náeto Chineke náasị: "Otutu diri Chineke n'ebe kachasi ihe nile elu, udo di kwa n'elu uwa n'etiti madu ndi ihe-ha di Ya ezi nma" (Luk 2:13, 14).

Mgbe ndị mmụọozi ahụ lara, ndịọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ahụ ghọtara na ọ bụ Chineke zitere ha ozi ahụ. Ha mere ngwangwa garue Betlehem ịhụ́ Nwa ahụ amụrụ ọhụụ, onye ha hụrụ n'ebe Ọ naedina n'ihe anaetinye nri anụụlọ. Ndịọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ahụ kweere ihe ndị mmụọozi ahụ kwuru wee chọpụta Nwatakịrị ahụ bụ́ Kraist. Ha guzoro ná nsọpụrụ, n'enweghị

obiabụọ ha rulatara kpọọ kwa isiala nye Nwa ahụ dị Nsọ. Ha laghachiri náenye Chineke otutu n'abụ̀. Ha gwara ndịọzọ ihe agwara ha, na ihe ha hụworo na nke ha nwapụta kwara. Ha onwe ha dị kwa ka ndị ahụ nke náezute Jisọs n'ụbọchị taa. Ha chọrọ ịkọrọ ndịọzọ ozi ọma ahụ.

**Akpọrọ Nwata ahụ Aha**

Enyere nwatakịrị ahụ aha dị icheiche. Tupu amụpụta ya Chineke ekwuwo na agaakpọ aha Ya "JISUS" n'ihi na Ya Onweya gaazọpụta ndị nke Ya ná mmehie niile ha (Matiu 1:21). Mgbe Chineke gwara Josef, di Meri okwu, Ọ gwara ya na agaakpọ kwa Jisọs "Immanuel" nke pụtara "Chineke nọnyere ayi" (Matiu 1:23; Aisaia 7:14).

N'Aisaia 9:6, anyị gụrụ na agaakpọ kwa Ya "Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna Nke bu Nna mgbe nile ebigh-ebi, Onye-isi Udo." Abụ̀ ụfọdụ anyị naabụ̀ naakpọ Jisọs "Urodi nke Ndagwurugwu" "Rose nke Sheron," (Abù nke Abù 2:1), "Nkume mgbe Ebigh-ebi" (I Ndi Kọrint 10:4), na "Onye-ọ̀zụ̀zụ̀-aturu Ọma" (Jọn 10:11). Ị̀ matara aha ọzọ dị icheiche nke anaakpọ kwa Ya?

**Àtụ̀mààtụ̀ nke Daraada**

Herod arịọworị ndị amamihe ahụ ka ha mee ka ọ mata mgbe ha chọpụtasịrị Nwatakịrị ahụ bụ́ Kraist. N'aghụghọ ka ọ sịrị na ya chọkwara ịkpọ isiala nye Ya. Ma Chineke matara ekworo na ajọ ihe dị n'obi Herod, O wee dọọ ndị amamihe ahụ akanántị. Ha alaghachikurughị Herod, kama ha si n'ụzọ ọzọ laa. Ma mgbe Herod chọpụtara na o meghị ha ka ha ghọọ ndị nzuzu, o were iwe, n'ihi na ọ bụ onye mmehie na onye jọgburu onweya. Ọ tụrụ àtụ̀mààtụ̀ igbu Jisọs ya mere o nyere iwu ka egbuchasịa ụmụntakịrị niile site ná ndị gbara arọ̀ abụọ gbadata. O chere na site n'ụzọ dị otú a na ọ ghaghị ibibi Jisọs, Eze Ndị Ju. Herod tụrụ egwù na ọ gaetufu ọnọdụ ya nke a mere na ọ tụrụ àtụ̀mààtụ̀ iwepụ Jisọs. Ndị ahụ jupụtara n'iruuju na mwuta n'ihi otù nwoke onye bụ onye ajọ omume na onye ekworo. Chee échìchè otú anyị niile gaesi kwaa àkwà ma ọ bụrụ na ụmụntakịrị anyị niile ndị náerubeghị arọ̀ abụọ abụrụ ndị ebibiri ebibi n'ụbọchị taa!

Nke a bụ oge ahụ nke Jeremaia Onye amụma kwuru okwu banyere ya mgbe ọ sịrị na ókè iruuju na ịkwa ákwá gaadị n'ihi ụmụntakịrị ndị náadịghị kwa (Jeremaia 31:15; Matiu 2:16-18). Mmadụ apụghị ịtụ àtụ̀mààtụ̀ megide Chineke ma merie. Àtụ̀mààtụ̀ obiike na igbu mmadụ nke Herod ibibi Jisọs adawo. Chineke adọwọrị Josef akanántị ka o kuru Nwa ahụ na Meri gbalaga n'Ijipt ebe ha biri rue mgbe Herod nwụrụ. N'ụzọ dị otú a ka emezuru ihe edere n'Akwụkwọnsọ n'ihi na anyị gụtara na Chineke sitere n'Ijipt kpọpụta Nwa Ya (Hosea 11:1).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee obodo amụrụ Jisọs?
2. Òlee otú ndị amamihe ahụ si mata ebe ha gaachọta Ya?
3. Òlee otú ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ si mata na amụwo Jisọs?
4. Gịnị mere eji mụọ Ya n'ụlọ anụ?
5. Òlee ụdị mmadụ Herod bụ̀?
6. Kwue ihe ụfọdụ ndị amụma buru ụzọ kwue banyere ọ́mụ́mụ́ nke Jisọs.
7. Gịnị bụ̀ onyinye dị icheiche ị gaenye Jisọs na Krismas a?